# NWAANYỊ BỤ IFE: ỌRỤ NA ỌNỌDỤ ỤMỤNWAANYỊ N'EMUME ỤFỌDỤ NDỊ IGBO

**Dr. Ogechukwu Uchenna Chukwuneke**
Ogechukwu.chukwuneke@unn.edu.ng
**Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages,**
**University of Nigeria, Nsukka**

***Ụmị***
*Ahaghị nhatanha jenda na-ebute ọtụtụ ọdachi nyere ọha. Nke a mere na ọ dị oke mkpa na a ga-eso ụzọ ọbula e nwere ike ịgbaso ihụ na e ji otu anya ahụta nwoke na nwaanyị. Ndị Igbo bụ ndị a maara dịka ndị na-ebuli nwoke elu karịa nwaanyị. Ọnọdụ a ewetaala ndaghachị azụ, mkpagbu na mmegbu nyere ụmụnwaanyị n'ala Igbo. Ndị Igbo bụkwa ndị e ji omenaala chapụrụ achapụ mara. Ha na-esite n'emume dị iche iche ezipụta nkwenye na nsirihụndụ ha. E wepu emume ndị gbasara naanị ụmụnwaanyị, ụmụ nwoke na-anọ n'isi emume niile a na-emekọta ọnụ. Nke a mere na ọrụ ụmụnwaanyị tupu e mewe, mgbe a na-eme na ka e mechara emume ndị a ghara ịpụta ihe. Ọ dizie ka ọnweghị uru ụmụnwaanyị bara na mmepụta omenaala Igbo. Nchọcha a lebara anya n'ọrụ na ọnọdụ ụmụnwaanyị n'emume Ịgụ Afọ na Ịwa Ji n'obodo Ụmụeri. Ụdị nchọcha e mere bụ nke kwọlitetiv. Usoro nchọcha bụ nke sọvee nchọpụta n'ihi na e ji naanị otu obodo nochite anya ala Igbo. E wetere njiatule site n'ajụjụ ọnụ nakwa isonye n'emume ndị a. A chọpụtara na o nwere ọrụ ndị dị oke mkpa ọ bụ naanị ụmụnwaanyị na-arụ dịka 'ọrụ alụsị' nakwa ọnọdụ ụmụnwaanyị na-anọ na ya nke nwere ike imebi ihe maọbụ butere obodo ọdachi ma ọ bụrụ na a nọghị na ya. E kpebiri na emume ndị a agaghị aga nke ọma maọbụ zuo oke ma e wepu ọrụ na ọnọdụ ụmụnwaanyị n'oge emume ndị a. N'ihi ya, nwaanyị dị mkpa ma baa uru na mmepụta omenaala Igbo.*

**Abstract**
*Gender inequality breeds under development and injustice in society. Consequently, it is important that it is tackled from all angles. The Igbo is a patriarchal society. They believe that masculine roles are fundamental and feminine roles are derived. This perception has led to oppression of females in Igbo society. The Igbo are also known for their vibrant culture which are showcased through various festivals. The Igbo celebrate many festivals in commemoration of a god, fore fathers or events. Except in female-centric festivals, men are always at the helm of affairs in other ceremonies. This has made the roles of women before, during and after these ceremonies to be concealed. The paper discussed the roles of women in Ịgụ Afọ and Ịwa Ji festivals in Ụmụeri town. The type of research done is the qualitative and the research design is the descriptive survey. This is because one town was used to investigate a phenomenon in Igbo society. The tenets of the cultural feminism theory were subscribed to. Data were drawn from interview and participant observation. It was learnt that there are roles only the Igbo females can play in the course of these festivals. These roles are such that if they are not played or observed, the ceremonies will neither hold nor go well. Therefore, women are fundamental in the practice of Igbo culture and should be recognized as such.*

## 1.1 Ntọala nchọcha

Nhatanha jenda bụ okwu a kpụ n'ọnụ na mba ụwa dum. Nke a bụ maka nsogbu na ọdachi ahaghị nhatanha nwoke na nwaanyị na-ebute n'ọha. Ahaghị nhatanha nwoke na nwaanyị na-ebute mmegbu, mbibi ndụ, na ndaghachi azụ nyere obodo ọbụla. Mmadụ ọbụla nwere ọrụ ya na uru ọ bara. Ya mere na ịhali otu jenda elu karịa ibe ya adịghị mma. N'otụtụ mba tụmadị n'ala Igbo, a na-ebuli nwoke elu karịa nwaanyị. E kwenyere na ụmụnwaanyị dị mkpa kama ụmụnwoke ka ha baa uru. Nke a mere na a na-eleda ụmụnwaanyị anya n'ọha. (World Economic Forum, 2024). E nweela ọtụtụ mgbagha banyere etu ndị Igbo si were ụmụnwaanyị. Ụfọdụ ndị nchọcha kwenyere na ndị Igbo jibu nwaanyị kpọrọ nnụkwụ ihe tupu ọbịbịa ndị ọcha. Ha gbadoro ụkwụ n'ụfọdụ omenaala Igbo wee kwado echiche ha (Opata, Apeh, Asogwa na Alaku (2021; Emeka-Nwobia, 2021; Egbo, 2021; Nwaoha na Ejiaga, 2022). N'aka nke ọzọ, ụfọdụ ndị nchọcha kwenyere na site na mmalite, nwoke ka nwaanyị n'echiche na nsirihụụwa ndị Igbo (Obi-Nwosu, 2020 ; Ogbodo, Oguejiofor na Aghamelu, 2023). Ka o sịla dị, omenaala Igbo dịka o siri dị ụgbu a na-akwalị nwoke elu karịa nwaanyị.

Ndị Igbo bụ otu n'ime agburu narị abụọ na iri ise mejuputara Naijirịa. Ha bụ ndị e ji omenaala chapụrụ achapụ mara. Ndị Igbo bụ ndị nwere ọtụtụ emume nke ha na-esite na ha ezipụta omenaala na nkwenye

ha. Emume ndị ahụ gụnyere; Ịgụ arọ, Iri ji ọhụụ, Igba ọfala, Ichi eze, akwamozu na ịlụ nwaanyị dgz. Etu Igbo si asụ n'olu n'olu ka mmemme ha si dị iche iche site n'otu obodo ruo obodo ọzọ. Obodo ọbụla n'ala Igbo nwere emume ha na-eme nke nwere ike ịbụ naanị ha na-eme ya maọbụ e nwee obodo ndị ọzọ so ha eme ya. Iji maatụ, ọ bụ naanị obodo ụfọdụ na steeti Anambra na-eme emume ịgụ arọ. Emume bụ ihe emereme nke egwu maọbụ nke nkiri nke a na-eme otu mgbe n'afọ n'otu ebe (Ikokwu, 2022). A na-eme ya maka iji ziputa ọdịnaala, ịkwanyere chi dị iche iche na nnanna anyị ugwu na ịdịkọnotu mmadụ. A na-ewepụta otu ụbọchị ma ọ bụ otu mgbe n'afọ, mgbe ndị mmadụ ga-agbakọta iji wee nwee ọńụ maka otu omenaala dịka iri ji ọhụụ, ịgba ọfala wdg. Ukpokolo, Okoye na Lawuyi (2010), kọwara mmemme dịka ọgbakọ nke ndị mmadụ maọbụ ndị ekpemekpe nke gụnyere ihe omume dị iche iche dịka omenaala ma ọ bụ ọgbakọ ndị mmadụ dịka mmemme ịlụ nwaanyị. N'ala Igbo, nwaanyị na-abụ onye isi emume naanị n'emume gbasara naanị ụmụ nwaanyị. N'ihe ọbụla jikọtara nwoke na nwaanyị n'omenaala Igbo, nwoke na-anọ n'isi. Nke a mere ka ọrụ na ọnọdụ ụmụnwaanyị n'emume dị iche iche ghara ise elu. Ọnọdụ a na-akwado echiche na ụmụnwaanyị abachaghị uru n'ọha. Ọzọkwa, Ọhaneze na-eleda ọrụ ndị a ụmụnwaanyị na-arụ anya nke na-eme ka ụmụnwaanyị na-ahụta mbọ ha na-agba dịka ihe adịghị mkpa.

Etu o sila dị, nwoke na nwaanyị dịka aka nri na aka ekpe na-akwọrịta onwe ha.Nwoke chọrọ enyemaaka nwaanyị etu nwaanyị si chọọ enyemaaka nwoke. N'agbanyeghị na nwoke na-anọ n'isi emume, e nwere ọrụ na ọnọdụ ọ bụ naanị ụmụnwaanyị ga-arụnwu maọbụ nọrọ tupu emenwue emume. Ọnọdụ na ọrụ ndị a bụ nke bụ na-akwadoghi ya nke ọma, ihe emebie. Ya mere na ọ dị mkpa na e lebara anya n'uru ndị a nwaanyị bara na mmepụta omenaala dị iche iche. Ụfọdụ mmadụ emelaa nchọcha n'ọrụ ụmụnwaanyị na nzipụta omenaala Igbo. Jell-Bahlsen (1998) mere nchọcha n'ọrụ ndị ezenwaanyị mmiri n'okpukpere chi ndị Igbo. Nzegwu (1995) lebara anya n'ọrụ otu ụmụnwaanyị dị iche iche na-arụ n'ala Igbo. Lebeuf (2004) tinyere anya n'ọrụ ụmụnwaanyị n'ọchịchị n'ala Igbo. Muonwe (2019), tulere ọnọdụ ụmụnwaanyị n'ọchịchị na ekpemekpe Igbo na etu ọnọdụ ndị a nwere ike isi nyere ụmụnwaanyị aka n'isonye n'ọchịchị Naijiria. Nduka na Ozioma (2019) lebakwara anya n'ọrụ ụmụ nwaanyị n'okpukperechi dịka o si pụta ihe n' akwụkwọ *Things Fall Apart*. Nchọcha ndị a tinyere uche ndị mmadụ n'etu ụmụnwaanyị na omenaala si emetụta. Ka o sịla dị, enweghị ọrụ a hụrụ hiwere isi n'ọrụ na ọnọdụ ụmụnwaanyị n'emume ndị Igbo. Ndị Igbo na-eme ọtụtụ emume mana a ga-eleba anya naanị n'ịgụ afọ na iri ji ọhụụ na nchọcha a. A ga-eleba anya na mkpa ụmụ nwaanyị dị na nzipụta omenaala Igbo ndị a. E nwere ọtụtụ obodo mejuputara ala Igbo mana a ga-eji Ụmụeri mee ebe nchọcha. Ụmụeri dị n'okpuru ọchịchị Anambra Iist n'steeti Anambra.

Nchọcha a bara nnukwu uru nye mba ụwa dum ọkachasị ụmụ afọ Igbo, ndị na-amụ amụmamụ jenda nakwa ndị na-asọ mmegbu. Ọ ga-emepe anya ndị mmadụ ịmata etụ ndị Ụmụeri si eme mmemme Ịgụ arọ na Iri ji ọhụụ. Ọ ga-emepekwa anya ndị mmadụ n'uru ụmụ nwaanyị bara n'obodo nakwa n'ọnọdụ ụmụ nwaanyị n'ịkwalite omenaala Igbo. Ọ ga-emekwa ka ụmụ nwaanyị bido hụtawa onwe ha ka ndị bara uru na mmepụta na ịkwalite omenaala Igbo. Ọ dị mkpa ka ụmụ nwaanyị hụtawa uru nakwa mpụtara mbọ niile ha na-agba ọkachasị mgbe a na-eme emume. Ọrụ a ga-enyere onye ọbụla ga-eme nchọcha dị etu a aka iji nwee ebe mgbakwasị ụkwụ mgbe ọ na-eme nchọcha nke ya. Ọ ga-agbakwa ụmụakwụkwọ ndị ọzọ ume iwere omenaala ndị ọzọ e chefuru echefu n'obodo ha wee mee nchọcha nke ha.

### 1.3 Mbunuche nchọcha

Isi sekpu ntị nchọcha a bụ igosipụta uru ụmụ nwaanyị bara na mmepụta nakwa nkwalite omenaala Igbo. Ebumnuche nchọcha a bụ;

i. Ịtụpụta emume ụfọdụ a na-eme n'ala Igbo nakwa mpụtara ha
ii. Igosiputa etu ndị Ụmụeri si eme emume ndị a họọrọ
iii. Izipụta ọrụ na ọnọdụ ụmụ nwaanyị mgbe a na-eme emume ndị a n'Ụmụeri
iv. Ikwu mkpa ọrụ ndị ahụ dị na mmepụta emume ndị Igbo.

### 2. Atụtụ Nchọcha

Atụtụ e hiwere isi na ya na nchọcha a bụ feminizim nke omenaala. Nke a bụ atụtụ na-eleba anya na nkwalite na nrọgharị ọrụ ụmụnwaanyị a na-eleda anya n'ọha ọkachasị n'obodo ebe nwoke nọ n'isi. E kwenyere na nwoke na nwaanyị dị iche kama e kwesiri ịkwanyere nwaanyị ụgwu karịa. Atụtụ a na-agba n'anwụ ọrụ nlekọta, nkwado na ime udo ụmụnwaanyị na-arụ n'ọha nakwa mkpa ọrụ ndị a dị na

nkwalite omenaala. Ndị ntụpụta echiche a bụ Adrienne Rich na Mary Daly. Atụtụ a pụtara ihe n'afọ 1970 dịka mgbagha radịkal feminizim. Ndị radikal feminizim kwuru ka a rọgharịa ọha n'ụdị nwoke na nwaanyị ga-aha nhatanha mana ndị feminizim omenaala sị na nke ahụ gaghị ekwe omume n'ihi na ọrịa maara ahụ anaghị ekwe ngwọta. Ha kwuru na ihe ka mma bụ ka ụmụnwaanyị buru ugbo aka ha.N'uche ndị ntụpụta atụtụ a, ụmụnwaanyị dị ezigbo mkpa n'ịkwalite omenaala obodo tụmadị na ọ bụ ọrụ ụmụnwoke ka a na-ahụkarị. Feminizim nke omenaala na-eleba anya etu njirimara ụmụnwaanyị dịka nlekọta na nkwado si buru ide ji ụlọ na mmepụta omenaala. (Hopkins na Serva, 2023; Wolff na Gaytan, 2025). Atụtụ a ga-enyere aka imezu mbunuche nchọcha a.

### 3. Usoro nchọcha

Ụdị nchọcha e mere bụ nkọwa kwọlitativ.Nke a bụ maka na a họrọ otu obodo (Ụmụeri) iji nọchite anya obodo ndị ọzọ dị n'ala Igbo. Ụmụeri bụ nnukwu obodo nke obodo isii mejuputara.Obodo ndị ahụ gụnyere; Nneyi, Mgbede, Ọgbụ, Ụmụatụọlụ, Ikenga nakwa Ụmụdiana. E ji obodo isii ndị a mee nchọcha. E nwetere njiatule site n'ịgba ndị okenye nakwa ndị maara ihe ekwe na-akụ n'omenaala na ọdịnaala ajụjụ ọnụ. E hiri aka n'anya họrọ naanị ndị ga-enye njiatule ga-adịmkpa. A họọrọ Ajie bụ onye isi Arọ na nwunye ya, Igwe ndị Ụmụeri,Eze Chiben Emeka bụ onye isi emume iwa ji na nwunye ya nakwa ụmụnwoke ise na ụmụnwaanyị iri ndị dị afọ iri ise wee gbagobe nakwa ndị sonyekwa n'emume ndị a. Ihe kpatara e ji họrọ ụmụnwaanyị karịa ụmụnwoke bụ maka na nchọcha a gbasara ụmụnwaanyị. Odee sonyekwara n'emume ndị a iji hụ n'anya ọrụ ụmụnwaanyị ndị a. E ji rekọda, kamera, akwụkwọ na mkpisi odee kwara ngwa ọrụ. Odee gakwara n'ọba akwụkwọ ma chọpụta nkọwa ndị mmadụ maka Ịgụ arọ na Iri ji. A gakwara ịntanetị iji nweta ihe ndị mmadụ degoro banyere ha. A na-ajụgharị ndị a gbara ajụjụ ụsa onye ọzọ nyere iji hụ na e nwere nkwekọrịta n'ọrụ na ọnọdụ ụmụnwaanyị n'emume ndị a. E tinyeghị ụsa ndị nwere mgbagha.

### 4. Ọrụ na ọnọdụ ụmụnwaanyị n'emume Ịgụ Afọ

Ịgụ Afọ bụ emume a na-eme iji kwu etu ihe ga-esi aga n'obodo n'afọ ọhụụ. Ndị Igbo kwenyere na afọ ọbụla nwere njirimara, iwu na nsọ ya. Ọ dị mkpa na a maara ihe afọ ọbụla chọrọ ka o wee bute ihe ọma. N'ụfọdụ obodo, ọ bụ Igwe obodo na-abụ onye isi emume n'obodo ndị ọzọ, ọ bụ eze mmụọ na-anọ n'isi emume (Onuora, 1985). Ọ bụ n'emume a ka a na-anọ na ya, kanye ụbọchị mmemme ọbụla ga-abụ n'afọ. Nke a mere e ji akpọ ya ngụpụta kalenda Igbo (Ofomata, 2012). Ọ bụ mmemme ịchụ aja nke a na-eme afọ ọbụla n'obodo dị iche iche. Nke a pụtara na emume ịgụ afọ nwere akụkụ abụọ, nke mmadụ na nke mmụọ. Ịgụpụta kalenda ya bụ etu a ga-esi merube mmemme n'afọ bụ nke mmadụ. Ịjụpụta chị na ndị nnanna anyị ha ihe ga-eme n'afọ bụ nke mmụọ. E meela nchọcha banyere ịgụ afọ n'ala Igbo. Ịmaatụ, Nwokoye (2008) mere nchọcha banyere ịgụ afọ na Nrị. Ọ chọpụtara na ọ bụ emume nwere nnukwu mpụtara na ndụ ndị Igbo. Anazoba (2011) tụlere etu e si eme ịgụ afọ n'Ọka. Ọ chọpụtara na ọ bụ ọrụ ndị ezinaulo Okperi n' obodo Amikwo ịgụ ya bụ afọ. Ihe amụmamụ nka dị na ya bụ ihe nzuzo nye onye ọbụla, naanị ndị a bụ ihe maara ihe nzuzo dị na ya. Ọ bụ nnukwu mmemme nke a na-eme tupu e bido afọ. Ọ bụ oge a ka a na-amata oge ọrụ ugbo ji ebido nakwa ihe ndị ozo. Ozioko (2012) mere nchọcha n'ịgụ afọ n'ala Igbo. Ọ kọwara na ndị Igbo nwere ọnwa iri na atọ na-emejupụta afọ dịka ọ dị n' obodo China. Ọtụtụ n'ime ha tufukwara ọnwa ikpeazụ - ya bụ ọnwa nke iri na atọ. Ọ kọwara na afo Igbo na-ebido n'onwa Febrụwarị. Nchọcha ndị a niile tụpụtara mkpa ịgụ afọ dị na ndụ ndị Igbo mana o nweghị nke lebere anya n'etu e si eme ya n'Ụmụeri nakwa n'ọrụ na ọnọdụ ụmụnwaanyị n'emume a.

### 4.1 Ịgụ Arọ Ụmụeri

Ịgụ arọ bụ mmemme a na-eme kwa afọ n'Ụmụeri iji hazie etu afọ ahụ ga-esi aga. Onye na-anọ n'isi emume a bụ Igwe Arọ. Nke a pụtara na igwe obodo anaghị abụ onye isi emume n'ịgụ arọ dịka o si abụ onye isi emume ndị ọzọ. Ọ bụ Maazị Ajieh bụ igwe arọ Ụmụeri.

Maazị Ajieh (2024), kọwara ịgụ arọ dịka nnukwu mmemme nke mbụ a na-eme n'afọ ọbụla tupu e mewe mmemme ọzọ. Ọ bụ mmemme a na-eme iji jụọ chukwu ka afọ ga-esi di. Ọ bụ site na ya ka e si amata ma a ga-enwe ihe niile n'uju, ma a ga-enwe ụkọ nri, ụkọ ego, ma a ga-alụ agha, ma a ga-enwe ụnwụ mmadụ. Ọ bụ mmemme nke ndị Ụmụeri na-eme iji kelee chukwu ma ọ bụ rịọ ya gbasara ihe ọjọọ ga-adakwasi obodo. Ịgụ arọ dịka ọ dị n'obodo Ụmụeri na-ebido n' ụbọchị Orie kwụsị ụbọchị Nkwọ. Ọ bụ ụbọchị Afọ ka e ji agụ arọ kpọmkwem. Site na mmemme a ka a ga-esi wepụta ka afo ga-esi dị, ọnwa

ole ga-adị n'afo nakwa izu ole ga-adị n'afo. Ndị mmadụ na-esi obodo dị iche iche bịa soro mee mmemme a. Mmọnwụ dị che iche si obodo dị iche iche na- abịa ụbọchị ahụ a na-eme mmemme ịgụ Arọ. (Diboh, 2021; Okadigwe, 2021)

Igụ Arọ bụ mmemme nke ndị Ụmụeri na-eme. Ọ bụ na mmemme a ka Igwe Arọ ji agụpụta afọ ọhụrụ nye ndị obodo. Ọ bụkwa n'oge a ka ọ na agụpụta kalenda ọhụrụ. Kalenda ndị Ụmụeri bụ ihe ọnwa iri na abụọ (12) mejupụtara, nke gụnyere;

1. Jenuwari (Ọnwa iri), ọ bụ ọnwa e ji agụ Arọ. Ọ bụ n'ime ọnwa a ka igwe arọ ga-ekwu ụbọchị ọ ga-eme mmemme ịgụpụta afọ ọhụrụ wee nye ọha obodo.
2. Febuwarị (Ọnwa Ntufu), a naghị eji ya eme mmemme ọbụla. Ọ nweghị mmemme omenaala a na-eme n'ọnwa a. Nke a apụtaghị na ndị chọrọ ime mmemme akwamozu agaghị eme ya.
3. Maachị (Ọnwa Ntufu) a naghị agụnye ya n'ọnwa n'ihi na onweghị mmemme omenaala a na-eme n'ime ọnwa a. Ndị Ụmụeri na-ahụta ya dịka ọnwa na-abaghị uru.
4. Eprel (Ọnwa etufusie adọrụ). Ọ bụ ọnwa e ji eme mmemme idokwe obere chi dị iche iche. Ọnye ọbụla nwere chi nke ya ga-ebupụta ya ma mere ya mmemme.
5. Mei (Ọnwa Nge), ọ bụ oge e ji eri oriri Akwalị. Ọ bụ oge ụmụagbọghọ ji eri oriri nke ha.
6. Juun (Ọnwa Ịbọ), Ọnwa mmọnwụ ji agba ebe; ya bụ, ọnwa ndị mmọnwụ ji eri oriri. Ọ bụ n'ime ọnwa a ka ụdị mmọnwụ dị iche iche ji egosiputa onwe ha site n'ime ụdị ihe nkiri nakwa ịkpa ndị mmadụ obi ụtọ.
7. Julayị (Ọnwa Ịtọ), ọ bụ ọnwa e ji edokwe arụsi Ikenga. Ọ bụ oge ezinaụlọ ọbụla nwere ikenga ga-ebupụta ya ma nye ya nri.
8. Ọgọsụtụ (Ọnwa Ịnọ), ọ bụ oge e ji eri oriri Ọpọtọ. Ọ bụ oge e ji esi nri akọ wee na-eri oriri. Mgbe a na-eme mmemme a, onye na-abụghị onye Ụmụeri agaghị eso wee mee mmemme a n'ihi na ọ na-asọ onye ọbịa.
9. Sepụtemba (Ọnwa ise), ọ bụ onwa e ji eri oriri Alọ Mmụọ; ya bụ oge e ji ekele ndị nnanna lara mmụọ. Nke a pụtara na ọ bụ oge e ji eri oriri iji kelee ndị nnanna maka enyemaka ha n'ebe ndị dị ndụ nọ. N'ọnwa a ka e ji eri ji ọhụụ.
10. Okutomba (Ọnwa isii), ọ bụ oge e ji edokwe Arụsị Alị. Arụsị a bụ nke dị n'Ifite Ụmụerị. Ọ bụrụ na ọnwa isii atụọ, ndị Ifite Ụmụerị ga-ebido ime mmemme idokwe arụsị Alị.
11. Nọvemba (Ọnwa ịsaa) e ji ya edokwe Arụsị Ovịa Mmiri. Nke a bụ oge e ji edokwe arụsị dị n'ọhịa mmiri n' Ikenga Ụmụeri. A na-eme nke a iji nye ya ekele ruru ya.
12. Disemba (ọnwa Ịsatọ), ọ bụ ọnwa ndị Ụmụeri ji agba ekeresimesi.

Ọ bụ ụbọchị Orie ka e ji ebido Ịgụ Arọ. Ụbọchị Orie, ndị okenye niile nọ n'obodo ga-agbakọta ma kwadoo Ajieh (Igwe Arọ) ka ọ wee gaa ọgbakọ ya na ndị nnanna na ntakịrị chi ndị ọzọ. Ndị okenye ga-ebute ụkpa ma tinye ya ihe akụkụ ndi a: ji, akpụ, ede, ọka, ọkwụlụ, nduku, unere, ojoko, akịdị, agwa, osikapa wdg. Ha ga-etinyere ya ngwa ọrụ dịka ọgụ, mma, wdg. Ha ga-ezipu ya ka ọ gawa ọru mgbe ọ kụrụ elekere iri na otu nke abalị. Ọ ga-aga kọọ ugbo ma kụnye ihe ndị a niile bn'ala. Mgbe ọ kụsịrị ihe akụkụ ndị a, mmiri ga-ezo n'ebe ahụ ma ihe akụkụ ndị ahụ ga-etolite ma mepụta nri n'abalị ahụ. Ọ ga-ewe ihe akụkụ niile ahụ ma mara ndị nke mere nri na ndị emeghị nri. Ọ ga-aga ọgbakọ ya na ndi mmụọ. Ọ bụ n'ọgbakọ a ka ndị mmụọ ga-agwa ya ihe ọma nakwa ihe ọjọọ ga-adakwasa obodo; ma udo ọ ga-adị n'obodo ma ọ bụ na agha ga-ada; ihe kpatara na ihe akụkụ ahụ metere ma ọ bụ na ọmeteghị nri; ma a ga-enwe oke ọnwụ maọbụ na a gaghị enwe; ma iji ọ ga-agba na mmiri ma ọ bụ na ọ gaghị agba. Ha ga-adụ ya ọdụ ọ ga-adụ ndị okenye nakwa ụmụ okorobịa . Mgbe ndị mmụọ zisiri ya ozi a, ha ga-agwa ya ka ọ lawa. Ọ ga-alọta n'abalị ahụ. Mgbe ọ latara, ọ ga-akụ ubom iji gosi na ọ gara na ọ lọtala. Ọ gaghị agwa mmadụ ọbụla okwu ruo ụbochị Afọ.

Ụbọchị Afọ, mmadụ niile nakwa ndị niile bịara maka ịgụ arọ (ndị si obodo dị iche iche wee bịa maka ịgụ arọ) ga-agbakọta n'ama Arọ ka ha wee nụrụ ihe ndị mmụọ ziri Igwe Arọ ka o zie ha. Mgbe ọ kụrụ elekere atọ, Igwe Arọ ga-apụta ma zie ndị ọha obodo ihe ndị mmụọ na ndị nnanna ziri ya ka o zie ha. Mgbe ọ mesịrị nke a, oriri na ọṅụṅụ ga-ebido. Igwe Ajieh na nwunye ya tinyekwara ndị nne nwaanyị na ndị nkorobịa ga-akụrụ egwu gaa ama Arọ gburugburu. Ndị nwere onyinye ha ga-enye Arọ ga-eburu ya buga n'ihu Arọ iji kelee ya ma rịọ ya ihe ọma ọ ga-emere ha. Ụbọchị Nkwọ, ndị obodo ga-edozi ama Akpalata Nneyi Ụmụeri iji kwadoo maka nnukwu mmemme. Ọ bụ ụbọchị a ka mmọnwụ dị iche iche

na-apụta nke gụnyere; Ịzaga, Atụ mmọnwụ, Ijele, mmọnwụ mbekwu, mmọnwụ Ọdụm, Odogwu mmọnwụ, Agbọọ mmọnwụ, Awụdụ, wdg. Ọ bụkwa ụbọchị ndị Arọ meere ihe ọma ji abịa ma soro wee ọṅụ. A ga-esi ụdị nri dị iche iche ma bute mmanya dị iche iche. Ajieh ga-ekpekwasa ihe niile ekpere. Ọ kụọ elekere anọ nke mgbede, mmemme ga-ebido n'uju. Ụbọchị Eke bụ ụbọchị na-egosi njedebe ịgụ arọ. Ọ bụ ụtụtụ ụbọchị Eke ka nnukwu mmọnwụ a na-akpọ Ada ga-agba nke na-egosi njedebe mmemme ịgụ arọ. Ada na ụmụ ya ga-agba obodo niile iji gosi na mmemme ịgụ arọ abịala na njedebe. Mgbe e mesịrị nke a ka onye ọbụla ga- aga n'ụlọ ha ma bido letewe ndị obịa ha.

**4.1.1. Ọnọdụ ụmu nwanyị n'emume ịgụ arọ n'obodo Ụmụeri**

Mgbe a na-eme emume ịgụ arọ n'Ụmụeri, e nwere ọnọdụ ụmụ nwaanyị na-anọ nke gụnyere ihe ndị ha kwesịrị ime na ndị ha ekwesịghị ime iji hụ na emume gara nke ọma. Site n'ajụjụ ọnụ a gbaara, ọnọdụ ụmụnwaanyị n'oge emume ịgụ arọ gụnyere:

**a. Ịnọ n'ụlọ**

Oge a na-agụ arọ, ụmụ nwaanyị anaghị eje ebe ọbụla iji nwee ohere isi nri nakwa ilekọta ezinaụlọ ha anya. Ha agaghị eje ahịa maọbụ mmemme ọzọ karịa mmemme ịgụ arọ. Ha na-eji oge ahụ enye Chukwu ugwu na nsọpụrụ ruru ya. Ọnọdụ a nwere ike imekpa ha ahụ n'ihi na ụfọdụ n'ime ha nwere ike inwe ebe dị mkpa ha chọrọ ije ma ha ga-akagbu maọbụ kagharịa njem ha iji hụ na mmemme ịgụ arọ gara nke ọma. Nwaanyị nwa ya mụrụ nwa ga-enwe ndịdị chere ka e mesie emume tupu ọ gaa nọnyere nwa ya.

**b. Enweghị mmekọ nwoke na nwaanyị**

Oge mmmemme a, ọnweghị ihe na-ejiko nwaanyị ọbụla na nwoke tụmadị dị na nwunye. A na-agbara mmeko nwoke na nwanyị ọsọ dịka omenaala ịgụ arọ siri dị. A na-edebe ụbọchị ahụ nsọ. E kwenyere na ezinaụlọ ọbụla mere ya ga-ebido nwebe nnukwu nsogbu. Nke a na-eme ka nwaanyị nwere agụụ ya na dị ya idina kpagbue agụụ ahụ ma gbaa mbọ wepụ obi ya ka ọ ghara ibutere ezinaụlọ ya nakwa ọha obodo nsogbu.

**ch. Nwaanyị nọ na nsọ agaghị aga emume ịgụ afọ**

Oge mmemme a, nwaanyị ọbụla nọ na nsọ ya agaghị abịa ebe a na-eme mmemme a. onye ahụ ga-anọ n'ụlọ wee ruo mgbe nsọ ya kwụsịrị iji gbanahụ imeru ala. Ndị Igbo tụmadị ndị Ụmụeri kwenyere na mgbe nwaanyị na-ahụ nsọ ya, ọ na-emefu ọbara. Ịkwafu ọbara bụ nsọala n'ihi ya, nwaanyị nọ na nsọ ya anaghị abịa mmemme maọbụ metu ihe a ga-eri maọbụ ṅụọ aka iji ghara imeru ya. Site n'ajụjụ ọnụ a gbara, a chọpụtara na ụmụ nwaanyị nọ na nsọ ha na-eli obi hapụ ihe nkiri, ihe ịkpa obi aṅụrị, atamata, erimeri, aṅụmaṅụ na ihe ndị ọzọ niile e ji eme mmemme ịgụ arọ maka ọdimma ọha obodo. Cheta na nwaanyị nwere ike izonahụ ndị ọzọ ọnọdụ ya ma sonye n'emume ndị a n'agbanyeghị ọdachi nsonye ya nwere ike ibute. Mana maka ọ dị mma mmadụ niile, ndị nọ na nsọ anaghị abịa emume ịgụ arọ.

**4.1.2 Ọrụ ụmụ nwanyị na-arụ ụbọchị ịgụ arọ**

E nwere ọrụ ụmụ nwaanyị na-arụ mgbe a na-eme mmemme ịgụ arọ. Ọrụ ndị a bụ ndị dị nnukwu mkpa n'ihi na ọ bụrụ na-arụghị ya, emume agaghị aga nke ọma. Ọ bụ naanị ụmụ nwaanyị ka ọrụ ndị a dịịrị. Ha gụnyere:

**a. Ndị nkiri**

E wepụ ndị nkiri, emume ọbụla agaghị ekpo ọkụ. Ọ bụ ndị nkiri na-eme ka obi dị ndị mmepụta mma, site n'ịkụrụ ha aka, nke na-eme ka ha nwee mkpalite mmụọ na mmepụta ha. O nweghị onye a gụpụrụ ịbịa nkiri ma nwoke ma nwaanyị, ndị ntorobịa ma ụmụaka wdg. Ụmụnwaanyị na- eke ekike pụrụ iche ma dozie onwe ha nke ọma. Ụfọdụ mmadụ na-abịa ịgụ arọ Ụmụeri naanị ka ha wee kirie ụmụnwaanyị. Ụfọdụ nwoke na-abịkwa ịchọta nwunye maọbụ enyi nwaanyị. Nke a pụtara na ụmụnwaanyị bụ ndị nkiri na-adọta ndị nkiri.

**b. Ịga Ahịa na isi nri**

Ọ bụ ọrụ ụmụ nwaanyị ịga ahịa, ịzụta ihe niile a ga-eji sie nri. Ihe ndị ahụ gụnyere; ji, azụ ndụ, ewu, ọkụkọ, ite, efele, ngazị, akwụkwọ nri dgz. Mgbe ha zụtasịrị ihe ndị a, ha ga-eburu ya lawa n'ụlọ Ajieh, eze arọ, ebe a ga-anọ sie ya. Isi nri ọha obodo ga-eri abughị egwu a chị ụtaba n'aka agba. Ọ na-ewe oge ma bụrụ ọrụ ike ọgwụgwụ. Ọ bụghị ihe mmadụ niile ga-emenwu. Ọ bụ ndị mara esi nri nke ọma na-

abịa soro sie nri ahụ. Mgbe ụmụ nwaanyị na-esi nri a, onye ọbụla nwere ọrụ ọ na-arụ, ma ndị na-abacha ji, ndị na-asa ite, ndị na-ebe anụ, ndị na-egbu ọkụkọ dgz. Onye ọbụla ji obi ọcha ya eme nke ya. Ha ga-esi ede ma bupute ya nye ezinaụlọ ha nakwa ndị niile bịara ịgụ arọ ka ha rie. Ede a na-egosi ihe akụkụ nke ụmụ nwaanyị nke ha ji obi ọcha ha wee nye arọ ka o rie ma nyekwa ha ike ha ga-eji rụọ ọrụ nke afọ ọzọ. Ụbọchị mmemme kpọkwem, nwunye Ajieh na ụmụ nwaanyị ga-akụrụ egwu gaa obodo nile iji gosi obi ụtọ ha nwere. Ọ bụ oke na ọrụ dịrị ụmụ nwaanyị ịhụ na ndị ọbịa na ezinụlọ nakwazị agbataobi ha rijuru afọ ma soro ha nwee ezi ọńụ ụbochị ahụ. O nweghị ụgwọ a na-akwụ ụmụnwaanyị ndị a maka ọrụ ha.

**ch. Nkpocha na nzacha ụlọ Arọ**

Ọ bụ oke na ọrụ ụmụ nwaanyị ịhụ na okwu Arọ na-adị ọcha. N'ụtụtụ ụbọchị a na-agụ arọ, ha ga-ekuru mmiri sachaa ụlọ niile ma were azịza zachasịa ebe niile ma mee ka ebe niile dị ọcha. A na-akpọ ụmụnwanyị na-ehicha okwu rọ, 'ndị ọrụ arụsị'. Ha na-eyi akwa ọcha elu na ala. Ndị a bụ ndị weputarala onwe ha n'ijere na igbara arụsị odibo site n'ime ka ụlọ arụsị ahụ na-adị ọcha mgbe niile. Onye obụla nọ n'otu a ga-abụ onye aka ya dị ọcha n'ihe ọjọọ niile. Arụsị pụtara alụ na nsọ nke bụ na onye ọbụla adighi nsọ agaghị abịa ebe ahụ maọbụ rie ihe ọbụla si ebe ahụ. Nwaanyị ọbụla nọ na di nwere ohere ịbanye n'otu a. Ma ndị bịara di ma ndị nwaada na-abanye n'otu a. O nweghi ndị maọbụ onye na-abanye na ya iche kama onye ọbụla nwere mmasị na ya ga -abanye. Onye ọbụla chọrọ ịbanye na ya ga-ebute ji, ọkụkọ na mmanya bunye onye isi ha. Mgbe o mesịrị nke a, ha ga-anabata ya n'uju.  Ọ bụ naanị onye rugoro afọ iri ise gbagobe na-abanye n'otu a. N'ụbọchị emume ịgụ arọ, ndị ọrụ arụsị ga-etinye nnukwu nzu na ego n'ọkwa bugara Igwe Ajieh ka o were kpeere ha ekpere ma gọọrọ ha ọfọ ndụ.

**d. Ịkwado Igwe Aro**

Nwunye Ajieh na-enye ya ezi nkwado site n'igwa ya gawa na ọ kwụ ya n'azụ. Ọ na-enyere ya aka site n'ịkpọta ndị ga-esiri ha nri ma zụta ihe a ga-eji sie ya bụ nri. N'ụbọchị nke mbụ n' emume ịgụ arọ, ọ ga-eyi akwa ọcha iji gosi na ọ kwadoro di ya na mmemme ahụ. Ọ ga-akụrụ egwu gaa obodo niile ma bata n'obu ka dị ya gozie ya. Nkwado nwunye Ajieh na-enye ya dị mkpa. Ọ bụrụ na nwunye ya enyewe ya nsogbu maọbụ okwunuka n'oge emume a, uche ya agaghị adị n'ihe ọ na-eme nke ga-emetụta ihe a na-eme. Nwunye Ajieh na-ejide obi ya aka, nagide ihe niile di ya mere ya n'oge ahụ iji hụ na mmụọ di ya kpakọlatara ọnụ. Ọzọkwa, oge Ajieh si nzuko ya na ndị mmụọ lota, ya na mmadụ anaghị ekwukọ okwu rue ụbọchị emume ịgụ arọ. Ọ bụ nwunye Ajieh ga-agwa ndị chọtara di ya ọnọdụ ya. Ọ gakwa enyere aka gboo mkpa ndị ọ ga-egbonwu.

**4.2 Ọrụ na ọnọdụ ụmụnwaanyị n'emume Iri/ịwa ji**

Iri maọbụ ịwa ji bụ mmemme a na-eme iji gosi obi ụtọ nye ji ọhụrụ e gupụtara. Ọ bụ oge e ji ekele chukwu maka ihe ala mepụtara. Okafo, Osuji na Uwakwe (2009), kọwara na ịwa ji bụ oke mmemme ndị Igbo na-eme kwa afọ. Ọ bụ mmemme a na-eme iji kelee Ala maọbụ Ahiajọkụ (chi na-ahụ maka ji) rịọkwa ya ka o kwe ka e rie ji ọhụụ n'udo. Obodo dị iche iche na-akpọ ya aha dị iche iche n'ihi na mba na-asụ n'olu n'olu. N'obodo ụfọdụ, ọ bụ eze mmụọ maọbụ eze na-achị obodo ga-aka ụbọchị a ga-eri ji ọhụụ mana ọ ga-adabariri n'ime ọnwa asatọ na kalenda ndị Igbo. Ndị Igbo nwere ahịa anọ-Eke, Orie, Afọ na Nkwọ. Obodo dị iche iche na-eri ji ọhụụ ụbọchị ahịa nke ha. N'iji mee emume a, eze obodo maọbụ eze mmụọ ga-ahụ ji. Ogbonna (2019), kọwara na e nwere ọtụtụ aha dị iche iche a na-akpọ ya dịka, ike ji, ịwa ji ma ọ bụ iri ji n'obodo ụfọdụ n'ala Igbo. Ọ bụ mmemme a na-eme otu mgbe n'afo. A na-eme ya dịka ọmenala ndị siri dị. Ji bụ nnukwu nri/ihe akụkụ kachasị dị mkpa karịa ndị ọzọ. Iri ji bụ nnukwu mmemme nke na-egosi oke mkpa maọbụ uru ji bara onye ọbụla. Ọ bụ omenaala noterala aka ka mmadụ. A na-emekarị ya n'agbata onwa Ọgọsụtụ ruo Okutoba dịka obodo ọbụla siri kwekorita. (Okoro, 2011; Okafor, 2017)

**4.2.1 Iri Ji ọhụụ n' Ụmụeri**

Nwọrah (2024), kọwara mmemme iri ji ọhụụ dịka mmemme a na-eme n'ọnwa ise (Septemba), ọ bụ ọrụ Onowu Ụmụeri ikwu ụbọchị ọha obodo ga-eri ji ọhụụ. Tupu e bido emume iri ji, Onowu ga-ebu ụzọ kpọọ ndị dibia afa ka ha gbaara ya afa maka iri ji ọhụụ, ma ihe ọ ga-agakwa n'udo ma a ga-enwe nsogbu. Afa gaa nke ọma, Onowu ga-etinye ụbọchị ọ ga-eri ji nke ya.  Ọ bụ Onowu richaa nke ya ka ọha obodo ga-eri nke ha.Ihe ndị e ji eme emume iri ji ọhụụ n'Ụmụeri gụnyere: ji, mmanya, azụ ndụ, ọjị dgz.  N'isi ụtụtụ ụbọchị emume, a ga-agba mkpọnaala iji gosi na ụbọchị a kara aka erula. Ndị mmadụ n'obodo

Ụmụeri gbaa gburugburu ga-ebido njikere maka mmemme ahụ. Ndị egwu a chọrọ maka mmemme a ga-ebido kụwa egwu iji mee ka ndị mmadụ mara na mmemme ebidola. Mgbe ọ kụrụ elekere iri na abụọ nke ụtụtụ, Onowu, Eze obodo na ndị niile e chiri echichi ga-abanye n'ebe a kwadoro n'obi Onowu maka imezu omenaala iri ji. Mgbe oge ruru, ndị oje ozi ga-ebupụtawa ji a hụrụ n'ọkụ na mmanụ akwụ nke a ga-eji rie ji ahụ. Onowu na ndị otu ya ga-ebili kpee ekpere ma tụọ nzu. Mgbe ha mesịrị nke a, Onowu ga-ewere mma waa ji ahụ. Onowu ga-ewere ibe ji ahụ sute na mmanụ wee rie ya. Ka o risiri ya, a ga-ebu ụzọ nye ndị niile chiri echichi tupu enye mmadụ ọzọ. Mgbe e risiri ji, Onowu ga-ebili ọtọ ma kwuo ụbọchị mmadụ niile ga-eme emume nke ha. Ka nke a gasịrị, ndị egwu ekpili ga-ebido tiwe egwu nke ọ bụ naanị ndị chiri echichi ga-agba. Mgbe ha gbasịrị egwu, mmọnwụ dị iche iche dịka Ogolo, Awudu, Ijele, Atụ d.g.z. ga-apụtawa. Ndị egwu dị iche iche ga-ebido kụwa egwu. Mgbe chi jiri, ezinaụlọ ọbụla ga-ala bido kwadobe ihe ha ga-eji mee mmemme nke ha.

Mgbe ụbọchị nke ọha obodo ruru, ọ naghị ekpo ọkụ ka nke Onowu n'ihi na ọ bụ n'ime obodo nakwa n'ime ezinaụlọ ka a na-eme ya. Ofe nsala na nrị ji bụ nri ndị Ụmụeri ji eme mmemme iri ji ọhụụ.Ọ bụrụ na Onowu nakwa obodo niile emesịa emume a, onye ọbụla ga-ebido zụtawa ji n'ahịa ma riwe ji n'ihi na emume a bụ imeghepụ ọnụ ụzọ maka iri ji ọhụụ maka na o nweghị onye ga-azụta maọbụ rie ji ma e meghị emume iri ji. Ndị Ụmụeri kwenyere na ọ bụrụ na mmadụ erie ji mgbe e meghị emume iri ji ọhụụ, onye ahụ ga-anwụ ma ọ bụ bido nwebe nsogbu. Emume a na-enye onye ọbụla owuwe anya na a harala ji ọhụụ nyefee n'aka chukwu.

### 4.4 Ọnọdụ ụmu nwanyị n'emume iri ji ọhụụ n'obodo Ụmụeri

O nweghị ọnọdụ pụrụ iche ụmụnwaanyị na-anọ n'emume iri ji ọhụụ. Emume a bụ nke na-enweghị oke iwu nyere nwaanyị maọbụ nwoke. Ọ bụkwa otu ụbọchị ka a na-eme ya. Ya mere na a naghị enwe oke mmekpa ahụ nyere onye ọbụla. Ọnọdụ erighi iji ọhụụ ganye na a waa ji jibidoro onye ọbụla. Ụfọdụ mmadụ na-anọ n'agụụ n'agbanyeghị na ha nwere ji ọhụụ maka na e ribeghị ji ọhụụ

#### 4.4.1 Ọrụ ụmu nwanyị n'emume iri ji ọhụụ n'obodo Ụmụeri

Udemgba (2024), kọwara na mgbe a na-eme emume iri ji ọhụụ, na ọ bụ ụmụ nwaanyị kacha arụ nnukwu orụ kacha sie ike na mmemme ahụ. Ọ bụ naanị ụmụ nwaanyị ka ọrụ ndị ahụ dịịrị. Ọrụ ndị ahụ gụnyere:

**a. Nkwado maka emume**

Ọ bụ orụ ụmụ nwaanyị ịhụ na ezinaụlọ ha so ibe ha rie ji ọhụụ. N' ezinaụlọ na-ebi nke ọma, ọ bụ nwoke na-enweta ji a ga-eri. Nwoke ga-enyekwa nwaanyị ego ọ ga-eji zụta ihe a ga-eji mee mmemmee iri ji ọhụụ. Mana n'ezinụlọ nwoke anaghị arụ ọrụ ya maọbụ anọghị, nwaanyị ga-arụpụta maọbụ zụta ji ya na ezinụlọ ya ga-eji mee emume iri ji ọhụụ. Ọ ga-azụtakwa ihe ndị ọzọ niile a ga-eji mee mmemme. Isi nri na ileta ndị ọbịa bụ ọrụ dịịrị nwaanyị. Ọ bụrụ na ezinụlọ emeghị emume iri ji nke ọma, ụta na-adịrị nwaanyị.

N'ogo ọha, ụmụnwaanyị na-enye aka na nzacha na mkpocha ebe emume. Ha ga-eji mmiri na ncha wee hichaa ebe niile ma mee ya ka ọ dị ọcha. Ha na-akpachapụ anya hụ na ihe niile dị ebe ọ kwesịrị ịdị. Ha ga-eji ncha na mmiri sachaa oche niile na tebul niile. Ha ga-eji ọgụ bọchaa ahịhịa ndị dị obere ma were mma sụchaa ndị nnukwu dị na gburugburu ụlọ Onowu. Ọ bụkwa ọrụ ụmụ nwanyị iji akwa nakwa ihe niile e ji achọ mma wee chọọ ebe a kwadoro ịnọ mee mmemme iri ji mma. Mgbe ha na-eme nke a, ha na-eji ụdị akwa ụcha ya dị mma nakwa ọmụ nkwụ, okpu ata, akwa isi agụ nakwa ihe ndị ọzọ a na-eji eme omenaala wee chọọ obi Onowu mma. Ụmụ nwaanyị na-ahazi ebe niile n'ogo n'ogo n'ihi na ndị ji ego nakwa ndị e chiri echichi na-enwecha ọnọdụ n'otu, n'otu.

**b. Ịgba egwu**

Ụmụ nwaanyị na-ewere ọnọdụ dịka ndị na-agba egwu n'ihi na ha ga-agbara mmadụ niile egwu iji wee kpalite obi ụtọ nye mmadụ niile, ma ndị ọbia ma ndị obodo. Mgbe ha na-agba egwu, ọ ga-eme ka ndị mmadụ chefue ihe mgbu nakwa ihe nchekasị ha ma nwee obi ụtọ. Ọ bụ ụmụ nwaanyị a zụrụ azụ n'ịgba egwu na-apụta ịgba egwu ma bụrụkwa ndị mara mma nke ukwuu. Ọtụtụ ụmụ agbọghọ na-esi n'ịgba egwu nweta di ga-alụ ha bụ onye ha na ya ga-ebi ma wube ezinaụlọ nke ha.

**ch. Ndị nkiri**

Emereme ọbụla enweghị ndị nkiri ezughị oke. Ụmụnwaanyị na-eso na ndị nkiri n'emume iri ji ọhụụ. Ha na-akụ aka na-achị ọchị nke na-eme ka mmemme na-ekpo ọkụ.

**5. Nchịkọta**

Ndị Igbo na-ebuli nwoke elu karịa nwaanyị. Ha kwenyere na o nwere ọrụ bụ nke nwoke nwekwa nke bụ nke nwaanyị. N'uche ha, ọrụ nwoke kacha dị mkpa. Ndị Igbo nwere emume dị iche iche nke ha sị na ha ezipụta nkwenye na nsirihụndụ ha. Ịgụ afọ na Iri ji ọhụụ so n'emume ndị Igbo. Obodo dị iche iche nwere usoro ha na-agbaso eme emume nke ha. E ji Ụmụeri nọchite anya obodo mejuputara ala Igbo ma tulee ọrụ na ọnọdụ ụmụnwaanyị n'emume ndị Igbo. E nwetere njiatule site n'ajụjụọnụ.
Umụnwaanyị dị nnukwu mkpa na mmepụta omenaala Igbo. N'Ịgụ Afọ, ụmụnwaanyị nwere ọnọdụ ha na-anọ na ya. Ọnọdụ ndị a bụ nke na-emekpa ha ahụ. Ọ bụ iwu na ha ga-anọ n'ọnọdụ ndị a ka emume ịgụ arọ wee gaa nke ọma. Ha na-arụkwa ọrụ nke ọ bụ naanị ha ga-arụ dịka ọrụ 'ndị akwa ọcha'. N'Iri ji ọhụụ, enweghị ọnọdụ pụrụ iche ụmụnwaanyị na-anọ na ya. Ọnọdụ erighị ji ọhụụ ganye na e mee emume iri ji ọhụụ bụ nke ọha obodo niile na-anọ. Mana e nwere ọrụ pụrụ iche ha na-arụ nke bụ ma arụghị ya, ihe e mebie dịka ịkwado emume, isi nri dgz.

**References**

Anazoba N. E. (2011), *Moon Facts and Ọka Dance for the Gods*: Democracy Bright Printing na Publishing, Awka, Anambra State.

Dibuo, B, B. (2021). Ogugu Aro Ụmụeri: the origins na significance. Retrieved from https://akukoeri.com

Egbo, N. (2021, 13 June). The life of an Igbo woman in pre-colonial times. Retrieved from guardian. ng/life/the-life- of- an –Igbo- woman- in -pre-colonial -times /

Emeka-Nwobia, N. U. (2021). Understnaing gender complementarity in Igbo society: The role of ụmụada na ụmụnna in peacebuilding. Retrieved from kujenga-amani.ssrc.org/2021/07/21/understnaing –gender- complementarity- in -Igbo –society-the- role -of -ụmụada- na -ụmụnna- in- peacebuilding/

Hopkins, C. & Serva, C. (2023)Cultural feminism overview, eụamples na history. Retrieved from https://study.com/academy/lesson/cultural-feminism-definition-lesson-ọuiz.html on 6/2/2025

Ikeokwu, E. S. (2022). *Mkpọlite nkuzi na ọmụmụ ejije Igbo*. Nsukka: University of Nsukka Press.

Jell-Bahlsen, S. (1998). Female power: Water priestesses of the Oru-Igbo. In O. Nnaemeka (Ed.) *Sisterhood, Feminism ad Power: From Africa to Diaspora*. Trenton: Africa World.

Leubeuf, A. (2004). The Role of women in the political organisations of African societies. In D. Pauline (Ed), *Women of Tropical Africa*. London: Rotuledge.

Muonwe, M. (2019). Women in Igbo traditional religion na politics: Prospects for women's political leadership role in Nigeria. *Unizik Journal of Arts na Humanities*, 20 (3).

Nduka, U. & Ozioma, N. (2019). Chinua Achebe's *Things Fall Apart* na the role of women in Igbo traditional religious culture. *Open Journal Of Social Sciences*, 7, 272-289.

Nwaoha, C. C. & Ejiaga, C. O. (2022). Women na their socio-Economic roles in the pre-colonial Igbo society. *International Journal of Innovative Social Sciences & Humanities Research* 10 (1) 11-16.

Nwokoye C. (2008), *Igụ arọ ndị Igbo*. Retrieved on 12/3/2021 From www.onlinenigeria.com/article/ad.asp.

Nzegwu, N. (1995). Recovering Igbo Traditions: A case for indigenous women's organizations in development. In M. Nussbaum na J. Glover (Eds.) *Women, Culture na Development: A Study of Human Capabilities*. Oxford: Clarendon.

Obi-Nwosu, H. (2020). Gender roles in Igbo culture: An overview. Retrieved from journals.aphrispub.com

Ofomata C. (2012), *Omenala Ndị Igbo*: Format Publishers Nig Ltd, Enugu,Enugu State.

Ogbodo, C. I., Oguejiofor, O. J. & Aghamelu, F. (2023). Importance of gender reconciliation in Igbo society. Retrieved from https:// acjol.org on 4/2/2025

Okadigwe, M. N. (2021). Modeling ritual na performance for political change: An examination of Igu –Aro Ndi-Ụmụeri in Anambra state. *Unizik Journal of Arts na Humanities (UJAH)*, 22 (2): 108-126

Okafor C. A. (2017), Iri Ji Ọhụụ, Nkwenye Na Usoro Obibi Ndụ N'Ekwulọbịa: B.A Project, Department of Linguistics Igbo, na Other Nigerian Language, University of Nigeria Nsukka.

Okoro (2011), Emume ikeji Arọchukwu: B.A Project, Department of Linguistics Igbo, na Other Nigerian Language, University of Nigeria Nsukka.

Onuora (1985), *Usoro Omumu Igbo, Ụtọasụsụ, Agụmagụ na Omenaala Maka Sekọndịrị Ukwu.* Patmonie Printers na Publishers Ltd Awka, Anambra State.

Opata, C. C., Apeh, A. A., Odoja, A. S. & Alaku, E. (2021). Women na evolution of cultural practices among the Igbo of Nigeria. *Journal of International Women's Studies,* 22 (1), 201-214.

Ozioko C. J. (2012). Ịgu Afọ N'ala Igbo. B.A Project, Department of Linguistics Igbo, and Other Nigerian Language, University of Nigeria Nsukka.

Ukpokolo, F. C., Okoye, O. C. & Lawuyi, O. B. (2018). Cultural reconstruction of Iwa Ji festival in Igbo-Ukwu, and fractured Igbo Identity. *Synthesis Philosophica*, 65, 149 -164.

Wolff, K. B. & Gaytan, M. S. (2025). Feminisim, cultural. In Ritzer, G., Rojek, C. &Ryan, M. (Eds.), *The Blackwell Encyclopedia of Sociology*, 1-3.

World Economic Forum (2023). Global gender gap report. Retrieved from www.weforum.org/publication. Retrieved on 4/2/2025.

NDỊ A GBARA AJỤJỤ ỌNỤ

| S/N | Aha | Afọ ole ọ dị | Akaọrụ | Ụbọchị a gbara ya ajụjụ ọnụ |
|---|---|---|---|---|
| 1 | H.R.M. Igwe Chiben Emeka | - | Igwe Okebo II, Ụmụeri | 31/1/2024 |
| 2 | Nnazoba K. Uchenna (Maazi Ajieh) | 38 | Igwe Arọ Ụmụeri | 31/12/2024 |
| 5 | Maazị Atelị Paul | 75 | Ọru ugbo | 1/01/2025 |
| 6 | Maazị Akwuba U. | 68 | Injinịa | 1/01/2025 |
| 7 | Maazị Ọkafọr C. G. | 85 | Ọru ugbo | 1/0/2025 |
| 8 | Ocheze Chinwe Emeka | – | Nwunye Igwe | 08/02/2025 |
| 9 | Odzk.Ekwutosi Mmaduneme | 84 | Ọru ugbo | 02/01/2025 |
| 10 | Odzk.Ivenkili Udeanyinya | 54 | Ọrụ Alusị | 9/2/2025 |
| 11 | Odzk Nwokwute Dibuo | 67 | Ọru Alusị | 08/02/2025 |
| 12 | Odzk Emengini Udalor | 70 | Ọrụ Alusị | 02/02/2025 |
| 13 | Odzk.Egonekwu AKwuba | 59 | Ọru ugbo | 10/2/2025 |
| 14. | Odzk. Ngozi Nnazoba | 29 | Nwunye Ajieh | 10/2/2025 |
| 15 | Odzk. Mbanugo Anijah | 73 | Onye nkuzi narala ụla nka | 02/02/2025 |
| 16 | Odzk. Akala Ikeli | 63 | Mgbere | 02/02/2025 |
| 17 | Odzk.Adaba Ogugua | 56 | Mgbere | 8/02/2025 |